# ỤMỤNNE JOSEF GARA IJIPT
## Jenesis 42: 1-38
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 37 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bugh dika nmehie nile ayi si di ka Ọ meworo ayi" (Abù Ọma 103:10).**

### Ọkà Nime Ijipt

Ụnwụ ahụ malitere ịdị nime Hebron ebe Jekob na ụmụ ya irinaotù bi. Ha nụrụ na anaere ọkà n'Ijipt, ma ụmụnne Josef agbalịghị ijé zụta ihe oriri n'ebe ahụ. Emesịa Jekob we jụọ ha ihe mere ha ji nọdụ náelerịta onwe ha náání anya anya; gịnị mere ha agbaghị mbọ̀ ọ bụla ime ka èzinaụlọ ha dị ndụ?

O meworị iriarọabụọ ha refuru Josef n'Ijipt, ma anyị matara na ụmụnne ya echèzọbeghị óké mmehie ha. Chineke agaghị ekwe ka ha chezọ ya. Eleghịanya, nke ahụ bụ ihe mere ha ji náala azụ n'ijé chọọ ihe ha gaeri: Ijipt chètara ha mmeso ọjọọ ha nke ha mesoro Josef.

Chineke enyewo mmadụ ọ bụla akọnauche nke náeme ka onye ahụ mata na o mehiere mgbe ọ bụla o mere mmehie. Mgbe ụfọdụ mmadụ naabụ onye mere ka obi ya sieike nke ukwu site n'ajọ omume ya nke mere na akọnauche ya naabụ ihe emechirị emechi o wee ghara kwa ịnụ maọbụ gee ntị n'ịdọakanántị nke Chineke. Ọ bụ ihe dị egwù mmadụ iru ebe ọnọdụ ebe mmụọ nke Chineke kwụsịrị imeso maọbụ ịgwa mmadụ ahụ okwu na kwa ịgwa ọbụná ndị hụrụ ya n'anya ka ha ghara kwa ichèta ya n'ekpere ọzọ; ma anyị matara na ụfọdụ mmadụ naeru n'ọnọdụ dị otú ahụ site n'ịjụ amara nke Chinke (I Samuel 16:1).

Jekob eruworị uju n'ogologo arọ iri abụọ niile a n'ihi òfùfù nke nwa ya nwoke bụ́ Josef fùrù, onye ọ hụrụ n'anya, ọ bụ kwa n'ihe mgbu ya ka o jiri hụkarịa Benjamin, onye bụ nwa nke ntà n'anya. Benjamin etowo ugbu a, bụrụ kwa onye nwere èzinaụlọ nke aka ya, ma Jekob naatụ́ egwù na ọ bụrụ na Benjamin esoro ha jee Ijipt, eleghịanya otù ihe gaeme ya.

### Nrọ̀ Mezuru

Mgbe ụmụnne iri ahụ bịakutere Josef ịzụta ọkà, ha rudatara isi ala n'iru ya, ha chere na site n'ịdịumeala ha, na ha gaenweta iruọma n'ebe onye náachị ala Ijipt nọ. Lee otú ha si náemezu nrọ̀ ahụ nkeọma bụ́ nke Chineke mere ka Josef mara ọtụtụ arọ garaaga, ọ bụ ezie na ha aghọtaghị ya! Ha ekwuworị na ha agaghị akpọ isiala nye nwanne ha ntakịrị, ma n'ebe a, ha kpudoro iru ha n'ala n'iru ya náarịọ iruọma ya. Okwu Chineke gaemezu náagbanyeghị otú ọ bụla mmadụ si gbalịa ịlụ ọ̀gụ̀ megide ya. Mmadụ apụghị ịgbanwe ụkpụrụ nke Chineke .

Ọ gaabụworị ihe óké ọ̄nụ nye Josef ịhụ ụmụnne ya anya ọzọ, ma o mere dịka agaasị na ọ mataghị ha. Ha chere na Josef bụ orù maọbụ eleghịanya na ọ nọghị kwa ndụ ọzọ; ya mere ọ bụghị ihe ijuanya na ha amataghị onye ọchịchị ahụ maramma nke nọ ha n'iru dịka nwanne ha nke ha kpọrọ asị na mbụ. Josef enweghị ihe ọjọọ n'obi megide ha n'ihi ihe ọjọọ nke ha mere ya, kama ọ chọrọ ka ha chee échìchè banyere mmehie ha tutu o mee ka ha mata onye ya onweya bụ. Mgbe ọ hụrụ ha n'ikpere ha n'iru ya o chètara nrọ̀ niile ahụ ọ rọrọ n'oge ọ dị na nwata, o wee hụ na aka Chineke eduwo ya n'ụzọ ya.

Ọ nụrụ Josef ọkụ n'obi ịmata ihe banyere nna ya na Benjamin, ma ọ chọghị ịkọwa onweya; ya mere ọ sịrị na ụmụnne ya bụ ndị nledo, ka o wee mata ihe niile banyere èzinaụlọ ya. Obi ya gaabụworị ihe wuliri elu mgbe ha kwuru banyere nwanne ha, "Otù nke fọdụrụ anọghị ndụ." Ha naekwu banyere ya, ọ bụghị kwa ihe isiagụgọ na ọ naagụ ya ka ọ sị "Lekwam," ma o kwesịịrị ka eburu ụzọ nwapụta ha nke ntà mata ma mmehie ha wutere ha n'ezie.

Anyị naahụ́ obi ebere dị ebube nke Josef onye kwarà ákwá n'ihi ihe mgbu ha. Nke ahụ bụ ezi mmụọ nke OnyeKraist; "Nāhunu ndi-iro unu n'anya, nēkpe kwa ekpere nye ndi nēsogbu unu" (Matiu 5:44). Jisọs hụrụ ahụhụ nke nweda n'ala Ndị Ju, ma Ọ kwaara Jerusalem ákwá wee sị, "Ọ̀tutu mgbe ole ka M'choro ichikọ umu-gi, ọbunà dika nneku-ọkuku nāchikọta umu-ya n'okpuru nku-ya abua, ma unu achọgh!" (Matiu 23:37).

### Ụmụnne Ya Hụrụ Ahụhụ

Edebere ụmụnne ya niile n'ụlọmkpọrọ ụbọchị atọ, eleghịanya iji gosi ha ntakịrị otú ọ naadị mmadụ mgbe ọ nọ dịka onye adọtara n'agha. Anyị naahụ́ ugbu a na obi ha naama ha ikpé n'ezie, n'ihi na ha chéré na ahụhụ a naabịakwasị ha n'ihi ihe ọjọọ nke ha mere Josef. Okwu Chineke naeguzosiike, ọbụná nye ndị ahụ nke náachọghị ikwere ya; anyị naagụ kwa nime Ọnụ ọgụgụ 32:23, "Mara-kwa-nu nmehie unu na-ọ gāchọputa unu." Nime Eklisiastis 12:14 anyị gụrụ, "N'ihi na ọlu ọ bula ka Chineke gēme ka ọ ba n'ikpé, ya na ihe ọ bula zoro ezo, ma ọ bu ezi ihe ma-ọbu ihe ọjọ." Ọ dịghị onye ọ bụla nke náebo ụmụnne Josef ebubo, kama ọ bụ Chineke naesogbu ha site n'ichètara ha ihe banyere mmehie ha.

Mgbe Josef kwuru na otù onye nime ụmụnne ha aghaghị ịnọ rue mgbe ha gaabịaghachị iji wee hụ́ na ha dutere Benjamin n'iru ya, ọ rọọrọ Simeon ka ọ nọdụ. Ruben bụ onye kachasị ha n'ịbụ okenye, ọ bụ kwa ya kwesịrị ịmata ihe banyere ụmụnna ya; ma oge ahụ erere Josef n'Ijipt, ọ nọghị n'etiti ha. Simeon, onye náeso onye kachasị ịbụ

okenye bụ onye ịtaụá ahụ dakwasịrị. Ugbu a ọ bụ Simeon bụ onye gaanọ n'ụlọmkpọrọ mgbe ụmụnna ya laghachịrị n'ala Kenean. Chineke naahụ́ ihe niile nke náeme; Ọ dịghị echezọ kwa ihe ọ bụla.

Iteghete nime ụmụnna ya jiri ihe oriri laghachikuru èzinaụlọ ha nke agụụ naagụ. Josef enyewo harị ihe oriri gaezuru ha. O nyekwara iwu ka etighachiri ha ego ha n'akpà ha. Ọ tụrụ ha n'anya nke ukwu mgbe ha hụrụ ego ha onye ọ bụla na akpà nke ya, ha wee mara n'oge ahụ na ọ dị onye chọrọ itinye ha nime nsogbu. Onye nwere obi amamikpé naeche mgbe niile na onye ọzọ nwere ihe ọjọọ n'obi megide ya. Ọ naekpe onye ọzọ ikpé site n'ihe ya onweya gaeme n'ụdị ọnọdụ ahụ. N'otù aka ahụ, nwa nke Chineke onye obi ya dị ọcha adịghị ele ka o wee chọpụta ihe ịtaụtá nke dị nime nwanna ya, kama ọ naeji ịhụn'anya ya kpuchie ha. "Ikpọ-asi nākpote ise-okwu di iche iche: Ma njehie nile ka ihu-n'anya nēkpuchi" (Ilu 10:12).

Ụmụnna ya nwere egwù Chineke nke ntà nime obi ha, n'ihi na mgbe ha hụrụ ego ahụ nke enyeghachiri ha, ha sịrị "Gini bu nka Chineke meworo ayi?" Ha chèrè na Onyenweanyị naekwe ka ha baa nime nsogbu ka ọ bụrụ ikpé megide omume ọjọọ ha. Otú ọ dị, ọ dịghị onye ọ bụla nke siri n'Ijipt soro ha ka o wee jide ha maka ego ahụ, ha lakwara n'ụlọ ha n'udo.

Ụmụnna Josef niile enwewo ụmụ nke aka ha ugbu a, ha abụwo kwa ndị nwere obi ọmiko ugbu a karịa otú ha dị n'oge ahụ ha rere Josef ka ọ bụrụ orù. Ọ bụ akụkọ ihe nwuta ka ha nwere ịkọrọ Jekob: Onye ọchịchị ahụ nke nọ n'Ijipt agwawo ha okwu n'ụzọ dị ike ma kpọ kwa ha ndị nledo; nwanna ha Simeon bụ kwa onye ejichiriejichi tụba kwa ya n'ụlọmkpọrọ; ha apụghị kwa inwe ihe oriri ọzọ rue mgbe emere ka Benjamin bịa n'iru onye ọchịchị ahụ.

**Ihe Mgbu Nke Jekob**

Jekob ruru uju nke ukwuu. Ọ dị ka ndụ ya jupụtara náání n'ọtụtụ ọdịda na nsogbu siterị n'ụbọchị ahụ ọ ghọgburu nwanne ya wee nápụ ya ọnọdụ diọkpara ya. Chineke agbagharawo ya mmehie ya ma mee kwa ka ihe gaara ya nkeọma, ma ihe nwute ọhụụ bịakutere ya ichètara ya banyere oge ahụ o mehiere megide Chineke. Onyenweanyị bụ onye kwesịrị ntụkwasịobi nye mkpụrụobi ọ bụla nke náechègharị, Ọ gaagbaghara kwa mmehie ya niile, ma lee ka ọ gaesiworị ka mma ma ọ bụrụ na ọ dịghị mgbe ọ bụla o mehiere!

Akọrọ akụkọ a banyere otù nna onye náakụdo otù ntù n'ọnụ ụzọ mgbe ọ bụla nwa ya nupụrụ ya isi. Ọ bụrụ na nwa ya ahụ arịọ mgbaghara, ntù ahu gaabụ ihe eropụrụeropụ -- ma oghere ya ka dị kwa n'ebe ahụ. Nna ahụ gbaghaara nwa ya nnupụ isi ya; ma oghere ahụ niile dị n'ebe ahụ dịka ihe ncheta nke náadịgide banyere mmehie ya niile. Lee otú ọ gaesiworị dị mma nke ukwuu nye nwa okorọbịa maọbụ nwa agbọghọbịa ọ bụla inye Chineke obi ya tutu akụdo "ntù" ahụ karịa ichéré rue mgbe o mere okenye nke ukwuu ịrịọ mgbaghara mmehie ma bụrụ kwa onye nwere "oghere" ahụ nke gaechètara ya nzuzu ya.

Jekob jụrụ ịrapụ Benjamin ka o soro jee Ijipt, ma óké ụnwụ ahụ dị kwa náaga n'iru, mgbe ha risịrị ọkà ahụ niile ọ dịghị kwa ihe ha gaeme. Ọ bụrụ na ha enweghị ihe oriri ọzọ ọ bụghị náání Benjamin gaanwụ, kama èzinaụlọ ha niile . Ruben enyeworị ụmụ ya ndịkom abụọ dịka ihe nchedo maọbụ ihe mbé, ma Jekob anaraghị ha. Mgbe ha náenweghị kwa ike ichere ọzọ, Juda kwenyere ka ịtaụtá ahụ dakwasị ya rue mgbe ebighịebi maọbụrụ na ihe ọ bụla gaeme Benjamin n'Ijipt. Anyị naahụ́ kwa ọzọ nrịbaàmà maọbụ nlezi anya nke Chineke n'ebe ihe niile dị. Ọ bụ Juda bụ onye chépụtara ihe mere Josef jiri ghọọrọ ndị Midian orù, ugbu a ọ bụ kwa ụlọ ya ka agaata ụtá ma ọ bụrụ na ikpé gaadakwasị onye ọ bụla nime ha.

Ọ gaabụworị nnukwu iji obi chụọàjà nye Jekob ịbụ onye gaeziga ihe niile ọ hụrụ n'anya jee n'ala ndị náamaghị Chineke, náamataghị ihe gaeme ha. Ọ dịghị iheọzọ nke o nwere: Rechel nwunye ya anwụwo; ụmụ ya nile ejewo kwa n'Ijipt; ọ dịghị kwa ihe oriri dị na Kenean nke ọ gaeri.

Chineke naatụ́ àtụ̀mààtụ̀ ịzọpụta ndụ nke ndị Ya arọpụtara, Ọ chọkwara ka Jekob tụkwasị náání Ya obi. Jekob emewo ihe niile o nwere ike ime, ma ugbu a o werewo ihe niile tinye n'aka Chineke wee kpe kwa ekpere ka ụmụ ya hụta amara n'iru onye ahụ náachị ala Ijipt. Mgbe ihe niile anyị nwere dị ka ha efusiwo, mgbe ọ dị kwa ka agaasị na anyị enweghị kwa ebe ndabere, anyị gaatụkwasị Onyenweanyị obi maka nnapụta. Anyị gaenwe ike ikpeekpere dịka Devid kpere sị, "Mgbe obim nādigh ike: rue n'oké nkume nke kam elu ka I gēdurum je" (Abù Ọma 61:2).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Nrọ̀ niile Josef hà malitere imezu?
2. Mgbe iri arọ abụọ gasịrị, ụmụnne Josef hà ka naenwe kwa ọmụmaikpé n'obi ha n'ihi omume ọjọọ ha mesoro Josef?
3. Ì chèrè na iheọzọ ọ bụla nke náabụghị nchègharị na mgbaghara mmehie pụrụ iwepụ ọmụmaikpé n'obi mmadụ?
4. Òlee ụzọ Josef jiri zobe onweya ka ụmụnne ya ghara ịmata onye ọ bụ?
5. Ụmụnne ya hà malitere ịghọta mkpụrụ ha kụrụ?